Adịmire Usoro Nkụzi Mmekọrịta Na Mmeta Nke Ọma Ụmụakwụkwọ Sekọndịrị N'abụ Ederede Igbo

Chineke, Stella Obioma, PhD
Department of Arts Education,
University of Nigeria, Nsukka, Nigeria
stella.chineke@unn.edu.ng +2348063385262

na
Uju Clara Umo, PhD
Department of Arts Education,
University of Nigeria, Nsukka, Nigeria
Email: chiege.umo@unn.edu.ng

Ụmị

Nchọcha a bụ maka ịchọpụta ka usoro nkụzi mmekọrịta si dị ire n'ịkwalite mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ sekọndịrị n'abụ ederede Igbo na Zonu Mmụta Nsụka na Steeti Enugu. Ụdị nchọcha nlekọ ka a gbasoro mee nchọcha a. Nke e ji kpọmkwem bụ nchọpụta na tụnyere nnwale nganihu na nnwale ndịnazụ. E ji usoro nsere nhatanha sere ụlọakwụkwọ anọ maka nchọcha a. Ụlọakwụkwọ anọ ndị a sitere n'okpuru ọchichị ime obodo atọ e nwere na Zonu Mmụta Nsụka. Ha gụnyere Igbo-Etiti, Nsụka na Ụzọ-Ụwanị. Ụmụakwụkwọ sekọndịrị ukwu nke abụọ ọnụọgụ ha dị otu narị na iri asaa na asatọ (178) ka e ji mee ya bụ nchọcha. Otu ajụjụ nchọcha na otu ụmaokwu nchọcha duziri nchọcha a. Nchọpụta e nwetara gosiri na ụmụakwụkwọ ndị e jiri usoro nkụzi mmekọrịta kụziere abụ ederede Igbo ka mee nke ọma karịa ogbo ha ndị e jiri usoro nkụzi ọkpụ wee kụziere. N'ihi ya, otu n'ime aro a tụrụ bụ ka ndị nkụzi asụsụ Igbo gbaa mbọ jiri usoro nkụzi mmekọrịta na-akụzi abụ ederede Igbo maka na ọ ga-enye aka n'ibelata ụjọ ụmụakwụkwọ na-atụ abụ ma sikwa etu a kwalite mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'ihe ọmụmụ abụ ederede Igbo.

Ọkpụrụkpụ Okwu: Agụmagụ, agụmagụ ọdịnala, agụmagụ ederede, abụ ederede, usoro nkụzi ọkpụ, usoro nkụzi mmekọrịta.

Mkpọlite

Asụsụ Igbo dị ka otu n'ime ihe ọmụmụ a na-amụ n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị n'ala Naịjirịa nwere ngalaba anọ. Ha bụ Ụtọasụsụ, Edemede, Omenala na Agụmagụ. Agụmagụ bụ ọrụ nka nke mmadụ na-esite na ya egosi echiche ya gbasara ụdịdị ihe na usoro obibi ndụ ndị mmadụ n' ọgbọrọgbọdọ ha. Ọ bụ ihe ọmụmụ dị ọkpụtọrọkpụ ma gbasakwaa agbasa na mba ụwa niile. Nke a mere mba dị iche iche jiri nwee agụmagụ nke ha. Okafo (2008) kọwara agụmagụ dịka ihe e chepụtara n'echiche gbasara ndụ, bụ nke metụtara ihe ndị a na-ahụ anya na ndị anaghị ahụ anya; nke e jiri asụsụ nka na nke a pịrị aka n'ụzọ ekwumekwu, ederede na mmeghari ahụ wee zipụta n'ụdị ejije, iduuazị maọbụ abụ. Agụmagụ metụtara ihe niile a na-eme n'elu ụwa mmadụ bi, nke gụnyere ekpemekpe, alụmalụ, agụmakwụkwọ, mgbasa ozi, ọchịchị obodo, azụmahịa, njem, azọmndụ, enwemenwe na ọtụtụ ihe ndị ọzọ. E nwere ụzọ agụmagụ abụọ. Ha bụ agụmagụ ọdịnala na agụmagụ ederede.

Agụmagụ ọdịnala bụ agụmagụ dị ọkpụtọrọkpụ, e ji ọnụ ezipụta, nke si n'aka ndị nna nna wee ruo ụmụ ha aka. Na nkọwa Okebalama (2003), agụmagụ ọdịnala gụnyere akụkọ ọdịnala, abụ niile a na-abụ n'ọnụ, akụkọ ifo, ilu, akpaalaokwu, agwụgwa na okwunka niile e nwere n'Igbo, bụ nke e ji ọnụ nkịtị ekwupụta.

N'aka nke ọzọ, agụmagụ ederede dịka aha ya siri dị bụ agụmagụ ndị ahụ e deturu n'akwụkwọ ka onye ọbụla ọ masịrị were ya gụọ. Nwadike (2002) kọwara na agụmagụ ederede Igbo dị ụzọ abụọ. Ha bụ agụmagụ mmụta na agụmagụ ederede nka. Na nkọwa Nwadike, agụmagụ mmụta Igbo bụ ihe ọbụla e deturu edetu n'asụsụ Igbo, nke mmadụ na-esi na ya enweta mmụta. O nwere ike ịbụ ederede na-akọwa maka sayensị, nka na ụzụ, mmekọrịta mmadụ na ibe ya, azụmahịa, ọrụ ugbo, efemchi na kwa ọtụtụ ihe ndị ọzọ. N'aka nke ọzọ, agụmagụ ederede nka bụ agụmagụ ndị ahụ a rọrọ arọ n'ụdị ejije, akụkọ maọbụ abụ, ma jiri asụsụ nka depụta ha maka ọgụgụ, iji kpaa ndị mmadụ obi ọma. Ọ bụ ụdị agụmagụ a ka nchọcha lebara anya na ya, ma bụrụkwa ya ka e ji agụmagụ ederede Igbo wee mara. Nwadike (1993) kọwara na agụmagụ ederede bụ ọrụ nka ọbụla e dere n'ụdị akụkọ, ejije maọbụ abụ; nke na-egosipụta ihe a na-ahụ na ndụ maọbụ ihe niile dị n'elu ụwa, nke gbasara ndụ mmadụ. Agụmagụ ederede Igbo bụ agụmagụ e jiri asụsụ Igbo dee, nke na-arụtụ aka na ndụ ndị Igbo. Nke a mere Oboegbulam (2001) ji kọwaa na agụmagụ ederede Igbo bụ ụgbọ e ji ebufe omenala ndị Igbo site n'otu

ọgbọ rue n'ọgbọ ọzọ. Agụmagụ ederede Igbo na-adị n'ụdị ejije, iduuazị maọbụ abụ.

Abụ bụ ọrụ nka na-adị n'ụdị ihe ọgụgụ dị na mkpirisi na mkpirisi, ma na-enwekwa echiche miri emi. Odee abụ na-eji okwu dị nkenke a haziri ahazi n'ọgbara n'ọgbara maọbụ na nkebi na nkebi ede abụ ya. Asụsụ e ji ede abụ dịwagara iche n'asụsụ e ji ede ejije maọbụ iduuazị. Odee abụ na-esere okwu esere, ma na-ejikwa okwu nka a pịrị aka ede abụ ya. Ihe nke a pụtara bụ na asụsụ abụ abụghị asụsụ ofeke na-aghọta ọsọọsọ. Onye na-agụ abụ na-echemi echiche ime iji chọpụta ihe abụ ọ na-agụ na-ekwu maka ya.

Otu ihe dị oke mkpa ịmata bụ na abụ n'ụdị ọbụla nwere uru ọ bara na ndụ ndị mmadụ tụmadị na ndụ ndị Igbo. Ya mere abụ ji soro n'ọkpụrụkpụ ihe e wepụtara ka onye obụla na-amụ asụsụ Igbo mụọ maka ya. Abụ na-enye aka n'ịkwalite na ichekwaba asụsụ na omenala ndị Igbo. Ịmụ maka abụ na-enyere ụmụakwụkwọ aka n'inweta ezi nka ọsụsụ na ọgụgụ n'asụsụ Igbo. Ụmụaka na-esitekwa n'ịgụ abụ dị iche iche enwe mkpalite mmụọ ịbụ ndị odee n'ọdịnihu. A na-esite n'abụ akụziri ụmụaka nkwenye, nsiripuru, usoro obibi ndụ ndị Igbo na ihe ndị Igbo nabatara dịka ịkpa ezi agwa, inwe ndidi, ịgba mbọ, ịsopụrụ okenye, ekele, ikwu ezi okwu, irube isi, ịkwụba aka ọtọ na ike ekike dị mma. Abụ na-emekwa ka ụmụaka mata ihe ndị Igbo na-agbarụrụ ihu dị ka izu ohi, ịgba asịrị, ịna aka azụ, igbu ọchụ, oke ọchịchọ, ịgba akwụna na imegbu mmadụ. Abụ na-enyere ụmụakwukwọ aka n'ime ka echiche ha na-adi nkọ. Nwata akwụkwọ ọbụla mụtara ịkọwa na inyocha abụ na-abụ nwata akọ na uche ya tọrọ atọ n'ihi na asụsụ abụ na-adị omimi. Ihe ndị a niile gosiri na ọmụmụ abụ dị nnukwu mkpa na ndụ ndị Igbo ọ kachasị ndị na-eto eto.

Kaosiladị, a na-ahụta ndaghachi azụ n'ebe nkụzi na ọmụmụ abụ ederede Igbo dị. N'ihi ya, ụmụakwụkwọ anaghịzị amụta ihe ndị ahụ ha kwesiri isi n'abụ ederede Igbo mụta. Iji kwado nke a, Ugbor (2012) mere ka a mata na akụzighị na amụghị agụmagụ ederede Igbo (nke abụ so na ya) nke ọma n'ụlọakwụkwọ nwere ike ịnapụ ụmụakwụkwọ ọtụtụ ihe ha kwesiri ịmata dịka iji asụsụ gosipụta echiche ha, iji okwu nka achọ asụsụ ha mma, inwe amamihe, ndidi, nsọpụrụ, ịdị uchu n'ọrụ, ikwu ezi okwu na izere ihe ọjọọ dị iche iche. Ọnọdụ a nwekwara ike iso mee e ji ahụta agwa ọjọọ dị iche iche n'etiti ndị na-eto eto dịka inupu isi, ikwu okwu asị,

izu ohi, oke ọchịchọ na ume ngwụ. Iji kwuo eziokwu, mgbe nwatakịrị gụtara maka onye kpara ajọ agwa n'agụmagụ, wee hụkwa ihe ọghọm so ya, ọ ga-agba mbọ izere mpụ dị etu ahụ, ka ihe ntaramahụhụ dakwasịrị agwa ahụ ghara ịdakwasị ya. Ya ka o jiri dị mkpa na a kwalitere ọmụmụ abụ ederede Igbo dịka ọ dị n'abụ ederede Bekee. Otu ụzọ e nwere ike isi mee nke a bụ site n'iji usoro nkụzi dị mma akụzi abụ n'ụlọakwụkwọ.

Usoro nkụzi bụ ụzọ ahụ onye nkụzi na-agbaso wee mee ka ụmụakwụkwọ mata ihe ọ chọrọ ịkụzi. Iji usoro nkụzi dị mma akụzi abụ ederede Igbo ga-eme ka ụmụakwụkwọ nwee mkpalite mmụọ ma nwekwaa agamnihu n'ọmụmụ abụ n'agbanyeghị ọdịdị ya. Ọ bụ eziokwu na ọtụtụ ndị ọkachamara kwenyere na o nweghị usoro nkụzi a ga-asị na ọ bụ ọka ibe, ha kwenyekwara na o nwere ndị ka ibe ha adị ire na nkụzi ihe ụfọdụ. Ya mere o ji kwesi ekwesi na onye nkụzi Igbo ga-ama usoro dị iche iche ọ ga-eji na-akụzi ihe. N'agbanyeghị nke a, Umo (2001), Omeje (2009) na Ugbor (2012) mere ka a mata na ọ bụ naanị usoro nkụzi ọkpụ ka ndị nkụzi asụsụ Igbo (bụ ndị na-akụzi abụ ederede Igbo) na-ejikarị akụzi ihe. Jaikumar (2018) kọwara na otu uru usoro nkụzi a bara bụ na ọ na-enyere ndị nkụzi aka iji ntakịrị oge kụzie ihe buru ibu. O nwere ike ịbụ ya kpatara ndị nkụzi asụsụ Igbo ji ejikarị ya akụzi ihe maka na oge a na-enye maka nkụzi asụsụ Igbo pere mpe.

Usoro nkụzi ọkpụ bụ usoro nkụzi hiwere isi n'onye nkụzi iji okwu ọnụ na nzu odee akụzi ihe. Paris (2014) kọwara na ọ bụ okwu ọnụ nkịtị na idetu ihe na mgbọodee ka onye nkụzi na-ejikarị akụzi ihe n' usoro nkụzi ọkpụ. N'iji usoro a kụzie abụ ederede Igbo, onye nkụzi ga-agwa ụmụakwụkwọ abụ ha ga-amụ ma depụta ya na mgbọodee. Ọ ga-akọwara ha isiokwu ya bụ abụ na kwa atụmatụ okwu ndị dịgasị na ya. Ọrụ ụmụakwụkwọ n'usoro nkụzi a bụ ige ntị na idetu ihe ndị dị mkpa. Jaikumar (2018) rụtụrụ aka n'ọghọm dị n'iji usoro a akụzi ihe nke gụnyere na ọ na-eme ụmụakwụkwọ ndị na-anọ naanị n'igere ihe onye nkụzi na-ekwu, na ndị anaghị eji aka ha egbo nsogbu chere ha n'ihu. Onye nchọcha chere na ụmụakwụkwọ anaghị emecha nke ọma n'abụ n'ihi na e ji usoro nkụzi ọkpụ akụzi ya. Ọ ga-abụ maka na usoro nkụzi a anaghị adịcha ire ka FRN (2013) jiri kọwaa na ndị nkụzi ga na-agbalị iwebata usoro nkụzi ọgbara ọhụrụ dị iche iche oge ha na-akụzi ihe. Iji mejupụta nke a, ndị mmadụ dị iche iche (Omeje, 1998; Umo, 2001; Omeje, 2009; Chineke, 2013; Ogbu, 2017) emeela nchọcha maka

iwebata ụfọdụ usoro nkụzi ọgbara ọhụrụ na nkụzi na ọmụmụ mpaghara dị iche iche n'asụsụ Igbo. N'otu aka ahụ kwa, nchọcha a chọrọ ịmata ka otu usoro nkụzi ọgbara ọhụrụ ga-esi kwalite mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'ebe abụ ederede Igbo dị. Usoro nkụzi ọrụ a lebara anya na ya bụ usoro nkụzi mmekọrịta.

Usoro nkụzi mmekọrịta bụ usoro nkụzi hiwere isi n'ikewasị ụmụakwụkwọ n'otu n'otu ebe ha ga-anọ rụkọọ ọrụ ọnụ iji hụ na onye ọbụla n'ime ha ghọtara ihe ha na-amụ. Ọnụọgụ ndị nọ n'otu otu ga-abụ mmadụ anọ. Usoro nkụzi a sitere n'atụtụ ndị ọkammụta dịka Levi Vygotsky, Jean Piaget, Jerome Bruner na ọtụtụ ndị ọzọ; bụ ndị kọwara na ụmụaka na-aka enwe ike ịhazi mmụta ha oge ha na ndị ọzọ na-enwe mmekọrịta (Slavin, 2010). Ọrụ dịịrị onye nkụzi bụ ịkwado ọnọdụ ga-enye ụmụakwụkwọ ohere inwe mmekọrịta n'etiti onwe ha maka itulekọrịta na ịgbanwekọrịta echiche na nghọta ha gbasara isiokwu ha na-amụ maka ya. Na ngwụcha ọrụ ahụ, onye nkụzi ga-enye ụmụakwụkwọ nnwale ha ga-eme n'isi n'isi. Ọga-agbakọ ihe nrite ha n'otu n'otu. Otu ọbụla ka mee nke ọma ga-enweta ihe mgbamume site n'aka onye nkụzi.

Ọtụtụ ndị nchọcha na ngalaba Sayensị (Stoner, 2004; Igbo, 2014 na Altun, 2015) chọpụtara na iji usoro a kụzie ihe na-akwalite mmụta. Ọ dịkwazị mkpa na e lebara anya n'adịmire usoro nkụzi a n'ọmụmụ abụ ederede Igbo iji mata ma o nwere ike ịkwalite mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ. N'ime nke a, otu ajụjụ nchọcha na otu ụmaokwu ka e nwere na nchọcha a.

Ajụjụ Nchọcha

Kedu ka usoro nkụzi mmekọrịta si dịdebe ire n'ịkwalite mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ sekọndịrị n'abụ ederede Igbo?

Ụmaokwu

Enweghị ezigbo ndịmiche n'akara miin mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ ndị e ji usoro nkụzi mmekọrịta na ndị e ji usoro nkụzi ọkpụ kụziere edemede Igbo.

Usoro

Ụdị nchọcha a gbasoro mee nchọcha a bụ nchọpụta na ntụnyere nnwale nganihu na nnwale ndinazụ. Ọ bụ na zonu mmụta Nsụka dị na Steeti Enugu ka e mere ya bụ nchọcha. Ndị njirimee nchọcha bụ ụmụakwụkwọ sekọndịrị ukwu nke abụo

ọnụọgụ ha di otu narị na iri asaa na asatọ (178). Usoro nsere nhatanha ka e ji sere ụmụakwụkwọ ndị a sitere n'ụlọakwụkwọ anọ. E jikwa otu ụdị nsere a tinye ụlọakwụkwọ abụo n'otu nchọpụta, ma tinyekwa abụọ nke ọzọ n'otu ntụnyere. Ngwa nchọcha bụ 'Ajụjụ Nnwale Mmeta Ụmụakwụkwọ n'Abụ Ederede Igbo (ANMỤAEI). Ngwa ANMỤAEI nwere ajụjụ iri anọ ndị nchọcha ji aka ha wepụtara ụmụakwụkwọ. Ha sitere n'abụ ndị ahụ e ji eme nchọcha. Nke ọbụla n'ime ha nwere ọsịsa anọ ma naanị otu n'ime ha bụ ezi ọsịsa. Akara nrite abụọ na ọkara (2.5) ka e nyere maka ajụjụ ọbụla a zatara. Ihe ọ pụtara bụ na nwataakwụkwọ ọbụla zatachara ajụjụ iri anọ ahụ nwetara akara nrite dị pasenti otu narị (100%). Iji hụ na ngwa nchọcha a zuru oke iji rụọ ọrụ a tụrụ anya n'aka ya, ndị nchọcha nyefere ya n'aka ndị ọkachamara mmadụ ise ka ha lebaa ya anya. Mmadụ atọ na Ngalaba Mmụta Nka, otu onye na Ngalaba Ligwistiiks, Asụsụ Igbo na Asụsụ Naijirịa Ndị Ọzọ, tinyere otu onye na Ngalaba Mmụta Sayensị, ha niile nọ na Mahadum Naijirịa, Nsụka. Ndị nchọcha gwara ha ka ha lebaa anya n'ajụjụ na ndịna dị na ANMỤAEI e dokwara anya, tinyekwara ịmata ma ajụjụ a adabakwara maka ogo ụmụakwụkwọ ndị e mebeere ya.

Iji mata ma ngwa nchọcha a e tozukwara ịrụ ọrụ a chọrọ ka ọ rụọ, ndị nchọcha nwalere ya n'isi ụmụakwụkwọ SSII mmadụ iri atọ (30) nọ n'ụlọakwụkwọ Community Secondary School, Uda Enugwu-Ezike, n'Okpuru Ọchịchị Igbo-Eze North. Ọ bụ ngwa Kudder-Richardson (K-R20) ka e ji tụchaa ihe e nwetara na ngwa ANMỤAEI, bụ nke gosiri ntụkwasịobi n'ogo 0.93. E ji ngwa nchọcha ahụ nye ndị otu nchọpụta na ndị otu ntụnyere nnwale nganihu tupu amalite ikụziri ha ihe nwere izuụka anọ. Na ngwụcha, e jikwa ya bụ ngwa nchọcha nyegharịa ha nnwale ndịnazụ. Ngwa ntụcha miin na ndịpụ n'izugbe ka e ji zaa ajụjụ nchọcha ma jiri ngwa ntụcha 'Analysis of Covariance (ANCOVA)' nwalee ụmaokwu n'ogo akara ntụ 0.05.

Nchọpụta

E gosiri nchọpụta ihe e nwetara na nchọcha a na tebul dị n'okpuru.

Ajụjụ Nchọcha: Kedu akara miin mmeta nke ọma ọma ụmụakwụkwọ ndị eji usoro nkụzi mmekọrịta na ndị e ji usoro nkụzi ọkpụ kụziere abụ ederede Igbo?

Tebul 1: Miin na ndịpụ n'izugbe na-egosi mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ ndị e ji usoro nkụzi mmekọrịta na ndị e ji usoro nkụzi ọkpụ kụziere abụ ederede Igbo.

Ndị Otu	Nnwale Nganihu			Nnwale Ndịnazụ		
	N	$\overline{X}$	SD	$\overline{X}$	SD	Akara Miin Nrite
Otu Nchọpụta	97	18.37	10.00	39.68	19.58	21.31
Otu Ntụnyere	81	20.88	9.78	23.61	11.65	2.73

Tebul nke mbụ na-egosi na akara miin nnwale nganihu ụmụakwụkwọ ndị e jiri usoro nkụzi mmekọrịta kụziere abụ ederede Igbo bụ (M = 18.37, SD = 10.00), ma akara miin nnwale ndịnazụ ha bụ (M = 39.68, SD = 19.58). Kaosiladị, ndị e jiri usoro nkụzi ọkpụ kụziere nwere akara miin nnwale nganihu bụ (M = 20.88, SD = 9.78), ebe akara miin nnwale ndịnazụ ha bụ (M = 23.61, SD = 11.65). Akara miin nrite otu abụọ a bụ 21.31 na 2.73 n'otu n'otu. Nke a gosiri na ụmụakwụkwọ ndị e jiri usoro nkụzi mmekọrịta kụziere nwere akara miin nrite karịa ndị e jiri usoro nkụzi ọkpụ kụziere. Akara ndịpụ n'izugbe nnwale ndịnazụ otu abụọ ndị a bụ 21.31 na 2.73, bụ nke na-egosi na ndịiche dị n'akara nrite ụmụakwụkwọ n'isi n'isi maka ndị e jiri usoro nkụzi mmekọrịta kụziere dị elu karịa nke ndị e jiri usoro nkụzi ọkpụ kụziere.

Ụmaokwu: Enweghị ezigbo ndịmiiche n'akara miin mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ ndị e ji usoro nkụzi mmekọrịta na ndị e ji usoro nkụzi ọkpụ kụziere abụ ederede Igbo.

Tebul 2: Nchịkọta ihe e nwetara site n'iji ANCOVA tụchaa mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ na nnwale ndịnazụ dịka o si gbasata usoro nkụzi.

Nsiribịa	Type III Sum of Squares	Df	Mean Square	F	Sig.	Partial Eta Squared
Myiri E Deziri	46296.800[a]	4	11574.200	156.865	.000	.784
Ọgbatauhie	690.087	1	690.087	9.353	.003	.051
Nnwale Nganihu	31361.902	1	31361.902	425.047	.000	.711
Usoro nkụzi	17056.254	1	17056.254	231.163	.000	.572
Mmehie	12764.728	173	73.785			
Mkpokọta	245582.000	178				
Mkpokọta E Deziri	59061.528	177				

a. R Squared = .784 (Adjusted R Squared = .779)

Tebul nke abụọ a gosiri na F (1,173) = 231.163, P = .000. Nke a pụtara na n'ogo akara ntụ 0.05, na P bụ 0.000. N'ihi ya, a jụrụ ịnabata ụmaokwu nkịtị nke na-ekwu na enweghị ndịmiiche pụtara ihe n'akara miin mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ ndị e jiri usoro nkụzi mmekọrịta na ndị nke e jiri usoro nkụzi ọkpụ kụziere abụ ederede Igbo.

Mkparịtaụka

Ihe dị na tebul nke mbụ na nke abụọ gosiri na e nwere ndịiche pụtara ihe na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ ndị e ji usoro nkụzi mmekọrịta na ndị e ji usoro nkụzi ọkpụ kụziere abụ ederede Igbo. Akara nrite ndị e jiri usoro nkụzi mmekọrịta kụziere ka dị elu karịa ndị e jighị ya kụziere. Nchọpụta a kwadoro nke Sahin (2011) mere, n'ihi na ọ chọpụtara na usoro nkụzi mmekọrịta nwere mmetụta pụtara ihe na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ praịmarị na nka odide n'asụsụ ndị mba 'Turkey'. Nke a dabara n'okwu Nnaka (2006), onye tụrụ aro maka ndị nkụzi ịdị na-ewebata usoro nkụzi ọgbara ọhụrụ n'ihi na ha na-aka adị ire n'ihe ọmụmụ dị iche iche. Dị ka o si gbasata usoro nkụzi mmekọrịta, Johnson na Johnson (2009) mere ka a mata na ụmụakwụkwọ na-aka eme nke ọma oge ha na-arụkọ ọrụ maka

ọdịmma nke mmadụ niile karịa oge ha na-arụ ọrụ n'isi n'isi maka ọdịmma nke onwe maọbụ n'ụdụ ịsọrịta mpi iji mata onye kacha mma.

Etu onye nkụzi si ekekọta ụmụakwụkwọ nwere ike mmụta dị iche iche ọnụ n'usoro nkụzi mmekọrịta na-enyere ha aka ịmụta ihe n'aka ibe ha. Onye ọbụla na-agba mbọ ime ka ibe ya mata ihe ọ maara maka na mmeta nke otu onye dabeere na mmeta nke ndị ọzọ. Nke a na-eme ka mmụta onye ọbụla nwere gbasara isiokwu ha na-elegara anya na-abawanye. ịrụkọ ọrụ ọnụ na-emekwa ka ụmụakwụkwọ na-enweta nka ga-enyere ha aka maka ezi mmekọrịta ha na ndị ọzọ n'ọgbọrọgbọdọ ha. Njirimara ndị a pụtara ihe n'usoro nkụzi mmekọrịta pụrụ ime ka ụmụakwukwọ ndị e ji ya kụziere ihe mee nke oma karịa ndị e ji atụnyere ha

Mmechi

Site n'ihe a chọpụtara na nchọcha a, ihe ndị a bụ mkpebi e nwere. Iji usoro nkụzi mmekọrịta na-akwalite mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ sekọndịrị n'ọmụmụ abụ ederede Igbo. Ụmụakwụkwọ ndị e jiri usoro nkụzi mmekọrịta kụziere abụ ederede Igbo mere nke ọma n'ebe ọ pụtara ihe karịa ndị e jiri usoro nkụzi ọkpụ kụziere. Ndị nkụzi iji usoro a akụzi abụ ederede Igbo ga-enye aka n'ebe ọ dị ukwuu n'ime ka ụmụakwụkwọ metaba nke ọma n'ihe ọmụmụ abụ ederede Igbo. Mgbe ụmụakwụkwọ malitere nwebe mmetadebe dị elu n'ọmụmụ abụ ederede Igbo, ọ ga-eme ka ha kwụsị ịhụ abụ dị ka ihe siri nnukwu ike n'ọmụmụ, ma si etu a mebe nke ọma n'ajụjụ abụ n'ule ngụcha akwụkwọ sekọndịrị dịka WAEC na NECO..

Ntụnye Aro

N'ịgbado ụkwụ na nchọpụta e nwetara na nchọcha a, aro ndị a ka a tụrụ:

i. A ga-esite n'ọgbakọ nkụzi ihe mee ka ndị nkụzi asụsụ Igbo mata maka usoro nkụzi mgbadoụkwụ n'ọrụ.
ii. Ndị nkụzi asụsụ Igbo ga-agba mbọ na-eji usoro nkuzi a akụzi edemede Igbo.
iii. Ndị ọrụ nhazigharị kọrịkulum asụsụ Igbo dị n'aka ga-ahụ na ha debanyere usoro nkụzi mgbadoụkwụ n'ọrụ na kọrịkulum Igbo.

Nrụaka

Altun, S. (2015). The effect of cooperative learning on students' achievement and views on the science and technology course. *International Electronic Journal of Elementary Education, 7 (3), 451-468.*

Chineke, S. O. (2013). Mmetụta usoro nkụzi mgbado ụkwụ n'ọrụ n'ihe nnweta n'ule ụmụakwụkwọ sekọndịrị ukwu n'edemede Igbo. M.Ed Dissertation, Faculty of Education, University of Nigeria, Nsukka.

Federal Republic of Nigeria. (2013). *National policy on education.* Lagos: NERDC Press.

Igbo, J. N. (2014). Effect of peer tutoring on mathematics achievement of learning disabled children. Ph.D Thesis, Faculty of Education, University of Nigeria, Nsukka.

Jaikumar, M. (2018). Lecture method of teaching. Retrieved from https://www.slideshare.net/maheswarijaikumar/lecture-method-of-teaching-92749641

Johnson, D. W. & Johnson, R. T. (2009). An educational psychology success story-Social interdependence theory and cooperative learning. *Educational Researcher, 38, (5), 365-377.*

Nnaka, C. V. (2006). Innovative strategies for effective teaching and learning of science, technology and mathematics (STM) in schools. Paper presented at the workshop by Science Teachers' Association of Nigeria, at Awka, Anambra State. 2006.

Nwadike, I. U. (1993). *Nka na usoro nkuzi Igbo.* Nsukka: Ifunanya Publishers.

Nwadike, I. U. (2002). *Igbo language in education: An historical study.* Obosi: Pacific Publishers Ltd.

Oboegbulam, A. I. (2001). *Literature in English: A study guide for certificate examination.* Enugu: Magnet Business Enterprises.

Ogbu, L. C. (2017). Adịmire kọmputa na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'agụmagụ Igbo n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị ukwu na zonu mmụta Ishielu na Steeti Ebọnyị. M.Ed Dissertation, University of Nigeria, Nsukka.

Okafo, S. O. (2008). *Akanka n'agụmagụ Igbo*. Enugu: Colours Communication.

Okebalama, C. N. (2003). *Mkpọlite agụmagụ ọnụ Igbo*. Enugu: Snaap Press.

Omeje, M. O. (2009). Effect of communicative method on students' achievement and interest in Igbo letter writing. Ph.D. Thesis, Faculty of Education, University of Nigeria, Nsukka.

Omeje, M. O. (1998).” Effect of project method on students’ achievement in written composition in Igbo language.” M Ed. Project, Faculty of Education, University of Nigeria, Nsukka.

Paris, C. (2014). *Lecutre method: Pros, cons and teaching alternatives*. Retrieved from https://blog.udemy.com/lecture-method/

Sahin, A. (2011). Effests of jigsaw III technique on achievement in written expression. *Asia Pacific Education Review*, 12, 427-435.

Slavin, R. E. (2010). *Cooperative learning: teori, riset, dan praktik. Diterjemahkan oleh Narulita* Yusron. Bandung: Nusa Media.

Stoner, D. A. (2004). Effect of cooperative learning strategies on mathematics achievement among middle-grade students: A meta-analysis, Ph.D Thesis, Graduate Faculty, University of Georgia.

Ugbor, G. N. (2012). Ọnọdụ nkụzi agụmagụ ederede Igbo n’ụlọakwụkwọ sinịọ sekọndịrị na mpaghara ọwụwa anyanwụ Naịjirịa. Ph.D Thesis, Faculty of Education, University of Nigeria, Nsukka.

Umo, U. C. (2001). Effect of games on the achievement and interest of junior secondary school students in Igbo grammar. Ph.D.Thesis, Faculty of Education, University of Nigeria, Nsukka.